Nkwuma n’ Igbo. Sitere n'aka:

Medolu, Agatha Ọbịageli, PhD
Department of Linguistics, Igbo &Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
agatha.medolu@unn.edu.ng
08034924522

Eze, Adaora Mauldine, PhD
Department of Language and Linguistics
Ebonyi State University, Abakaliki
mezeadaora@gmail.com**, 07069585555**

Na
Fabulous Ifeoma Loveth, PhD
Department of Linguistics and Nigerian Languages
Alvan Ikoku Federal University of Education
Owerri, Imo State.
ifeomafabulous@gmail.com
+2348033631694

ỤmỊ

Nchọcha a kọwara ihe bụ nkwuma n’Igbo. O lebara anya n’ uru nkwuma bara. Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya na nkwụma metụtara ọnwụ na nkwuma metụtara mmekọrịta nwoke na nwaanyị. Nchọcha a jiri atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke Milroy (1987). Ndị odee gbara ajụjụ ọnụ iji nweta ngwa ha ji rụọ ọrụ. Usoro ndị odee gbasoro mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa nke bụ ịchọpụta ihe dị adị kọwaa ya ma nye ya echiche n’ụzọ kwesịrị ekwesị. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị Igbo na-akụzị n’ụlọ akwụkwọ Kọmandị sekọndịrị dị n’Abakaliki nakwa Kọmandị sekọndịrị dị n’Enugwu. Ndị odee chọpụtara na nkwuma bụ ụzọ e nwere ike isi kwue ihe hị ara ahụ, ihe ndị mmadụ ekwenyeghị, ihe egwu ma ọ bụ ihe mmejọ, ihe a na-asọ nsọ, ihe a chọghị ikwu hoo haa etu osi dị na ihe nwere mgbagwoju anya n’ụzọ dị mfe. Ndị odee chọpụtara na uru nkwuma bara bụ na ọ na - eme ka okwu dị nro ma ọ bụ mfe dochie anya okwu siri ike

kaara ibute mkpasụ iwe esemokwu na nleda anya. Ha chọpụtara na e nwere nkwuma ịkọwa ọnwụ dị ka njem, ezumike, njedebe ndụ, ihe ifunarị mmadụ na okpukpere chi. Ha chọpụtara na nkwuma metụtara mmekọrịta nwoke na nwaanyị gunyere ime enyi, iri mkpọkịrị, izi uzi, ịzụzụ nzụzụ, ịbakwuru onwe ha, ime nsoli, ịgba n'ezi, ịpịoghar epioghari Aro ndị odee maka nchọcha ọ dị n' ihu bụ ka ndị ọzọ ga–eme nchọcha were ụdị atụtụ ọzọ kọwaa ụdị nkwuma ndị ọzọ.

Abstract

This research explains euphemism in Igbo. It paid attention to the importance of euphemism. The purpose of this research is to look at the euphemism that relates with death and performance related to men and women. This research uses Milroy's (1987) interpersonal relationship model. The research used interview to get the tools used for this work. The method followed by the author to do this research is a descriptive survey which is to find out what exists and explain it and give it an opinion in an appropriate way. The people who were used for the research were the Igbo people who teach at the Command Secondary School in Abakaliki and the Command Secondary School in Enugu. The writer found that euphemism is a way to talk about things that people don't believe in, things that are dangerous or wrong, things that are sacred, things that don't want to be said clearly, and things that are confusing. The research found out that the benefits of euphemism is that it makes soft or easy words to replace hard words rather than causing anger, conflict and contempt. The research found out that there is a tendency to describe death as a journey, a vacation, the end of life, a loss of a person and a religion. It equally found out that gender-related activities include making friends, flirting, teaching, training, self-advocacy and cheating. The researcher recommends that other researchers should and use examples to work on other types of euphemism.

Mkpọlite

Asụsụ bụ usoro mmadụ ji akparịta ụka. Asụsụ dị ụzọ abụọ: nke e kwuru n'ọnụ na nke e kwughị n'ọnụ. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) kọwara na asụsu bụ ụzọ mmadụ wepụtara e si ezikọrịta ozi n'ụdị echiche, mmetu aka inwe mmasị na mmetụta obi site n'okwu ọnụ maọbụ ederede. O nweghi ihe ọ bụla mmadụ nwere ike ime ma e wezuga site n'enye m aka asụsụ. Obodo niile nwere asụsụ ma

nwekwaa ala ebe a na-asụ ya. Asụsụ Igbo bụ ndị Igbo na ụfọdụ ndị agbataobi ha na-asụ ya. Asụsụ Igbo juputara n'atụmatụ okwu. Osuagwu (1980) kọwara na ndị Igbo na-ejikarị atụmatụ okwu ekwu okwu karịa ndị Bekee. Na ndu ndị Igbo, o nwere okwu ụfọdụ a na-asọ anya ikwuputa, e nwere okwu nsọ nke onye ọbụla na-enweghị ike ikwu maọbụ ịkpọtụ ahạ ebe na ebe ọbụla, naanị ma onye ahụ ọ chọrọ ịnata mkparị ma ọ bụ imi ọnụ. Nkwuma ka e ji ekwu ihe ndị ahụ anaghị akpọtụ ahạ. A na-ejikarị nkwuma akọwapụta ọtụtụ ihe n'asụsụ.Yahaya (2012) kọwara nke ọma na nkwuma na-apụtakarị ihe ma bamikwaa n'ime asụsụ anyị nke ọma, nke na ụfọdụ mmadụ ndị na-ebunyi onwe ha elu na ha amaghị ka e si asụ asụsụ Igbo na-ewebata ya n'asụsụ tupu otu mkpụrụ ụbọchị agafe. Ya bụ asusụ ọbụla enweghị nkwuma mara na nnukwu akọrọngwa mkparịta ụka kọnarịrị asụsụ ahụ. A na-ahụtakarị nkwuma n'okwu ihe gbasara ọnwụ, okpukperechi, ịkpọpụta akụkụ ahụ mmadụ ụfọdụ, mmekọrịta nwoke na nwaanyị. N'ihi nke a ka e si achọ ụzọ isi gbanarị ịkpọ okwu ndị a aha kpọm kwem. N'asụsụ Igbo, ọtụtụ ndị mmadụ na-agba ọsọ ide maọbụ ikwu gbasara mmekọrita nwoke na nwaanyị. Ọ bụ n'ihi etu ndị mmadụ si agba ọsọ gbasara ịkpa nkata banyere ya n'ebe ndị mmadụ nọ mere ka ndị ọchọcha nwee mmasị ime nchọcha gbasara ịkọwapụta nkwuma metụtara mmekọrịta nwoke na nwaanyị.

1.1 Mbunuche Nchọcha

Mbunuche nchọcha a gunyere:
1. Ịchọpụta uru nkwuma bara.
2. ịchọpụta nkwuma kọwara ọnwụ na
3. ịchọpụta nkwuma kọwara mmekọrịta nwoke na nwaanyị.

2. Ntuleghari Agụmagụ

Ọtụtụ ndị nchọcha e deela ọtụtụ ihe gbasara isi okwu a. Okebalama (2003) koọwara nkwuma dịka ụzọ e nwere ike isi zie ozi ga-amapụ obi ka ọ ghara ịmapụ obi, ya bụ ka e were ya na ọ dighị ihe nke ahụ pụtara. Abrams (1971) kwuru na nkwuma bụ ụzọ e nwere ike isi kwue ihe hịara aụụ, ihe ndị mmadụ ekwenyeghị, ihe egwu maọbụ ihe mmejo, ihe a na-asọ asọ, ihe a chọghi ka e kwue ya hoo haa etu o si dị na ihe nwere mgbagwoju anya n'udị mfe. Ọ sị na a na-ejikarị nkwuma arụ ọrụ n'ihe gbasara ọnwụ ọmụmaatu "Uche ahapụla. Ọ sịrị na a na-ejikwa ya arụ ọrụ n'ụzọ, abụghị ụzọ ụka. Ịkọwa maka chi, na ịkpọpụta ụfọdụ akụkụ ahụ nke achọghị ịkpọpụta aha. O kwukwara na a na-eji nkwuma akọwa maka mmekọrịta

nwoke na nwaanyị. Mgbe ụfọdụ achọghị ka ụmụ aka mara kpọm kwem mgbe ndị okenye na-ekwu maka ịkwa iko, ha na-eji nkwuma akọwa ya. O nyekwara ọmụma atụ a iji kọwapụta nkwuma "enyi". Ọ sị na "enyi " bụ ụzọ dị mfe mmadụ nwere ike iji kpọọ onye ya na mmadụ na-akwakọrịta iko oge niile maọbụ adịkwa na mma.

Ogbulogo (2005) kọwara nkwuma dịka ụzọ dị nro na ụzọ ekwekọrịtara iji yikwasị ọnọdụ adịghị mma na eziokwu nke ekwenyeghị uwe. Ọ sị na uru dị na iji nkwuwa eme nke a bụ ka mmadụ nwee ike gbanarị ịkpasụ mmadụ iwe. O nyekwa ọmụmaaatụ nd a iji kwado ihe o kwuru .

Ọmụmaatụ:1

1a. "Onye isi anyị adabara n'ogologo ụra (onye isi anyị anwụọla)".

b."Ụmụaka ahụ nwere aka na-anyado anyado. (Ụmụaka ahụ na-ezu ori) Oyeka (2015) sịrị na nkọwa ụfọdụ asụsụ Igbo na-ahịa ahụ ikwuputa n'ebe ọtụtụ mmadụ nọ tụmadị n'ebe ndị mmadụ gwara ọgwa. Okwu ndị ahụ gunyere okwu ndị ahụ a na-asọ nsọ nke na-enye aka n'ịghọta echiche ụwa gbasara otu ndị Igbo.

Mbah na Mbah (2007) kwuru na odee abụ na-eji atụmatụ okwu a bụ nkwuma akọwa ihe adịghị mma ma tinye ya n'ụzọ dị mma maọbụ ụzọ agaghị akpasụ mmadụ iwe karịa ụzọ nkiti e nwere ike isi kwuwe ya oge niile. Ọ sịrị na ọnwụ bụ isiokwu zuru mba ọnu nke odee abụ na-ejikarị nkwuma akọwa. Ọ kọwara nke a site na - isi na anaghị asị na onye kwụsịrị iku ume nwụrụ anwụ kama na ọ nakwuru ndị mmụọ. N'otu aka ahụ, ọnwụ ka ọ kọwara dịka chi ojiji.

Ọmụma atụ 2

2a"Ochiejieno – o ochiejienu – ochiejienuo
Ebelebe egbuenu – o
Okwalidi nwa. Ubaka
Nwannweze lara mmụọ, Ọ lara mmụọ"

Ọ kọwara na "lara mmụọ" na "chi ejie" bụ ọmụmaatụ nkwuma. Ndimele (2007) kọwakwara na nkwuma bụ atụmatụ okwu e ji akọwa ihe siri ike maọbụ ihe ọzọ n'ụzọ dị nro maọbụ n'ezigbo ụzọ ka e wee gbanarị ịkpasụ mmadụ iwe. Echiche

mpụtara nkwuma na-adịiche na echiche zoro ezo o nwere. O jịọmụmaatụ ndị a wee kọwaa nkwuma.

Ọmụmaatụ 3

3a. Mgbe ọtụtụ ndị dibịa bekee dị uchu n'ọrụ rụrụ ọrụọtụtụ abalị, Dkt. Nnamdi Azikiwe n'ikpe azụ labara ụra, e buturu ya n'obodo nna ya.

b. N'ikpe azụ, Mazi Boma agakwurula ndị nna ya ochie.

Nkọwa okwu a ndị a bụ 'labara ụra', 'agakwurula ndị nna ya ochie' n'ime ahịrịokwu 'a' na 'b' bụụzọ dị nro mmadụ ịsị na mmadụ nwụrụ.

Ezechukwu (1986) kọwapụtara nkwuma n'abụ ọnwụ o dere. Ọ kọwara ọnwụ dịka ndu, mgbe ume fepụrụ mmadụ, mgbe mkpụrụ obi daa jụụ, obara ijụ oyi gbakọ ọnụ, mgbe ndụ bidoro, mgbe anya ọcha kwụrụ jii, mgbe anya ntabi ga-abụ ihe gara aga. Ọzọ ndị a dị iche iche bụ ụzọ o si kọwaa ọnwụ. Okebalama (2003) kọwara nkwuma dịka okwu e ji kwue ihe siri ike, ihe egwu, n'ụzọ ọ ga-ada na ntị ka ihe ahụ esikweghị ike, ọ nweghị ihe itu egwu na ya. Ọ kọwara na e ji nkwuma ekwu ihe ndị ahụ a na-anaghị akpọtụ aha.

Ọmụmaatụ 4

4a. Lekwanụ eriri (agwọ)

b. Onyema na-ezuru ike, anyị dum ga-ezukọ na mbilite n'ọnwu.

Eke (2001) kọwara nkwuma dị ka iwere okwu dị nro nọchite anya okwu siri ike. Ọnụkawa (2014) kọwara na mkpụrụ okwu a bụ nkwuma si n'asụsụ Greek wee pụta. Ọ sị na ihe ọ pụtara bụ 'okwu dị mma'. Ọ sị na nkwuma pụtara mmadụ iji okwu dị nro, maọbụ okwu a na-agbara okirikiri tupu a kpọpụta ya wee kwuputa okwu siri ike. N'ụzọ ọzọ ọ kọwara na nkwuma bụ iji mkpụrụ okwu maọbụ nkebi ahịrịokwu wee dochie anya okwu siri ike n'ụzọ a ga –esi gbanarị ụjọ, ihe egwu nakwa okwu ụfọdu ndị mmadụ anaghị anabata nke ọma.

Ofoanị (1982) kọwara nkwuma dịka atụmatụ nzaraonwe nke e ji ekwuputa okwu adighị mma, okwu nwere ike ịkpasụ mmadụ iwe n'ụzọ ka ọ dị nro. Nkwuma malitere dịka akpaalaokwu nke mmetụtara nghọta ya dachara adacha maọbụ furu efu. Nkwuma oge ụfọdụ na-adabere na ọnọdụ mmekọrịta nke onye odee.

Ọmụmaatụ 5

5. Mmadụ nwere ike ijụ n'ogbakọ ebe ọnụ ụlọ ụmụ nwaanyị "dị maọbụ ụnọ ụlọ ebe a na-ete paụda". Kama isi kedu ebe a na-aga mposi. Ọtụtụ ndị mmadụ n' ọgbakọ e nweela ụzọ dị iche iche ha si akọwa nwaanyị dị ime dịka baro, King james Bibul kọwara ọnọdụ dị etụ a dịka nwaanyị na nwa ị nọ.

2.1 Nchọcha e merela n'isi okwu

Emenanjo (2008) emeela nyocha gbasara nkwuma n'ime ilu. Ọ chọpụtara na mgbe gboo, okenye na ndị okenye ibe ya na-ekwu okwu, ha nwere ike ịkpọ okwu ndị ahụ a na-asọ nsọ nke na-arụgara ịkwa iko, ịnyụ nsị, ọnwụ, ime mkpuke aha kpọm kwem. Ha nwekwara ike iji ilu mee nke a. N'otu aka ahụ, ọ chọpụtara na mgbe ndị okenye chọrọ ikwu okwu n'ụzọ dị nro maọbụ ịgwa ndị ha tọrọ okwu, na ha na-eji nkwuma maọbụ ilu eme nke a. Ọ chọpụtara ọtutụ ọmụmaatụ gbasara nkwuma metụtara ọnwụ, ịnyụ nsị, afọ ime na ikwa iko.

Ọnụkawa (2014) na nchọcha ya chọpụtara na e nwere nkwuma gbasara ọnwụ n'ụzọ dị iche iche. Ọ kọwara na e nwere nkwuma nke na-akọwa ọnwụ nke mmadụ na-ekwu gbasara onwe ya, nkwuma nke na-akọ ọnwụ gbasara ndi ọzọ, nkwuma gbasara ọnwụ site na nleru anya na ndịokpukpere chi ndị uka, nkwuma ihu ọnwụ dịka njem, kwuma ihu ọnwụ dịka ezumike, nkwuma ihụ ọnwụ dị ka nedebe obibi ndụ, nkuma ihụ ọnwụ dị ka ihe mmebi na ọnwụ dị ka okwu ndị mmadụ ji akparịta ụka mgbe enyi na enyi nọ. O kwukwara na iji nkwuma akọwa ihe gbasara ọnwụ abụghị na ọnwụ bụ ihe a na-asọ nsọ n'ala Igbo kama otụtụ ihe nwute ya na ọnwụ na-agakọ.

2.2 Atụtụ Nchọcha a Gbasoeo

Atụtụ e ji kọwaa nkwuma a bụ atụtụ ndị na cheke. Mbah na Mbah (2014) kọwara n'atụtụ a na-akọwa na tupu nwata amụta asụsụ, ndina echiche na ndịna nzaghachi ga-abịakọrịrị ọnụ. Ha na-ekwu na nwata nwee ụbụrụ ịmụta asụsụ mana ọ nweghị ihe dị na gburu gburu ya, ya bụ nwata agaghị amụta asụsụ ọ bụla. N'aka nke ọzọ, a munye nwata na gburu gburu ihe juputara mana o nweghị ụbụrụ, ọ gaghịkwa amụta asụsụ ọ bụla. Ha na-akọwa na-etu nwata si aghọta okwu ọhụrụ gbadobere ụkwu n'ihe o mabuụ. Ọ ga-agbatị echiche ihe ọhụrụ ọ nụrụ. Ha si na ụbụrụ mmadụ nwere ọwa enyo nkọwa dị iche iche ndị nke na-enyere ya aka itapị ọtụtụ ihe ozigbo nje n'enweghị mgbagha ọ bụla. Atụmatụ ndị a gunyere:

a. Atụtụ ọwa echiche ndịnịme
b. Atụtụ ọwa echiche ndịnụzọ
c. Atụtụ ọwa echiche ndịnike

Atụtụ ọwa echiche ndịnike na akọwa na etụ e si ekwu okwu nwere ike inye mmadụ ma ọ bụ napụ ya ikike ime ihe.

Ọmụmatụ 6

6a. E chụla mmiri (nnapụ ikike)
b. Riwe nri (nnyem ikike/ike, nke onye a na-agwa nwer ike ijụ ime.
ch. Baa ụgbọ ala (na-amanye onye a na-agwa ime ihe e kwuru)

Ndị otu a na-akọwa na ọ bụ ụdị ntọala amamihe a ka nwata ji akọwa ihe niile gara isiri ya ike ịghọta n'asụsụ tụmadị atụmatụ okwu.

3. Usoro Nchọcha/Oke Nchọcha

Usoro odee gbasoro mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa nke Nworgu (1991) nke bụ ụzọ ịchọpụta ihe dị adị, kọwaa ya nye ya echiche n'ụzọ kwesịrị ekwesi. Ọ bụ ụzọ a ka odee si nyochaa uru nkwuma bara, nkwuma metụtara ọnwụ na nkwuma metụtara mmekọrịta nwoke na nwaanyị. E mere nchọcha a n'Abakaliki nke dị n'Ebọnyị Steeti na kwa n'Enugwu nke dị n'Enugwu steeti. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị nkuzi ndị Igbo na ụmụ akwụkwọ nọ na junịọ na sinịọ sekondịrị. Odee ji naanị ụlọ akwụkwọ ndị agha dị na steeti abụọ ndị a mee nchọcha ya. Ha gunyere; Kọmand Sekondịrị Skul Abakaliki na Kọmand Sekọndịrị Skul Enugwu.

3.1 Ndị E Ji Mee Nchọcha

Ndị ebu n' uche iji mee nchọcha a bụ ndị nkuzi nwoke , nwaanyị na ụmụ akwụkwọ ndị Igbo nọ na Ebọnyị na Enugwu steti. Ndị odee mechara were mee nchọcha bụ ndị nkuzi nwoke , nwaanyị na ụmụ akwụkwọ Kọmand Sekọndịrị Skul dị na Abakaliki na Kọmand Sekọndịrị Skul dị na Enugwu .

3.2 Usoro Nsere / Nhọrọ

Odee e nweghị ike ijụ ndị Igbo niile nọ n' Ebọnyị steti ajụjụ ọnụ gbasara ihe ndị ga – enye aka n' ịkwalite nkuzi olunne n'ala anyị . Odee ji nsere mmanye were họrọ ndị Igbo ise ise na mpaghara Igbo ọ bụla. Ndị a gụnyere Anambara, Imo,

Abịa, Enugwu, Ebọnyị, Delta na Rivers steti. Ọ họpụtakwara ụmụ akwụkwọ ise ise na mpaghara Igbo ọ bụla.

3.3 Ngwa Nweta Data

Odee gbara ndị a niile ajụjụ ọnụ wee nweta ngwa o ji rụọ ọrụ.Odee bịpụtara ajụjụ ole na ole gbasara uru nkwuma bsara na ụdị nkwuma metụtara ọnwụ na nke metụtara mmekọrịta nwoke na nwaanyị .Odee nwetakwara ụfọdụ data ya site n' ụfọdụ akwụkwọ ọgụgụ

3.4 Usoro Nkọwa Data

Odee biri akwụkwọ ajụjụ nke o kere ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ nọ na Kọmand Sekọndịrị Skul Abakaliki na Kọmand Sekọndịrị Skul Enugwu.

4. Uru Nkwuma Bara

Bunchfield (1985:29) n'ime Onukawa (2014) ikwuma bara ọtụtụ uru maka na asụsụ ọ bụla e nweghị nkwuma dị ka asụsụ ngwa ọrụ asụsụ ha nwere ezigbo nsobu. Uru nkwuma gunyere ihe Yahaya (2012) kwuru. Ọ sịrị na ihe kpatara e ji eji nkwuma ekwu okwu bụ ka e wee were okwu dị mma, dị nro, doro anya, mfe wee dochie anya okwu siri ike kara ibute mkpasu iwe, esemokwu na nleda anya. Nke a ga-apụta ihe nke ọma n'ihe gbasara etu e si e ji nkwuma akpọ ọnwụ nke ga-eme ka ọ dị nro mmanụ inu. N'otu aka ahụ, ọ bụrụ na nwaanyị turu ime mkpuke, nkwuma ga-enye aka ịkọ ya n'ụzọ dị mfe ka a ghara ikpọ ya aha kpom kwem.

N'iga n'iru, nkwuma na-enye aka ka ndị okenye kpaa nkata n'iru ụmụ aka nke ga-eme ka ụmụ aka ghara ighọta ihe ha na-ekwu maka ya. Ọ na-enye ụzọ dị nro o si akọwa ihe beluso ma onye ahụ a chọrọ mkparị. Nkwuma na-enye aka ka e kee nkụ ukwa mgbe ofoke amaghị, ya bụ ọ na-enye aka ibelata etu e si akpọ okwu ụfọdụ a na-asọ nso, alụ ụfọdụ na ajọ akparamagwa dị iche iche aha. Ọ bụrụ na e nwee ka nwanta nwaanyị si tụọ ime ọkwa, a ga-ekpe ya, q bụ naanị nkuma ka a ga-eji kọọ ihe ọbụla a na-akọ.

4.1 Nkwuma Metụtara Ọnwụ

Ọnwụ so n'otu ihe ndi Igbo na - akwanyere ugwu nke ukwuu. A na – ejikarị nkwuma akọwa ọnwụ mana nke a apụtaghị na ọnwụ bụ ihe a na –asọ nsọ n'ala Igbo.E nwere nkwuma nke mmadụ na–ekwu gbasara onwe ya.

Ọmụma atụ: 7

7(a) M rahụ ma m etetaghị.
(b) Ụbọchị m mgbatịrị.
(ch) A chọọ m ma ahụghị m.
(d) Ụra were anya m.

E nwere nkwuma mmadụ na–ekwu gbasara ọnwụ gbasara ndị ọzọ.
Odee kọwara nke a site n'isi okwu ndị a;

Ọmụma atụ: 8

8(a) nkwuma ịkọwa ọnwụ dị ka ime njem.
(b) nkwuwa ịkọwa ọnwụ dị ka ezu m ike.
(ch) nkwuma ịkọwa ọnwụ dị ka njedebe ndụ.
(d) nkwuma ịkọwa ọnwụ dị ka ihe funarịrị mmadụ.
(e) nkwuma ịkọwa ọnwụ nke metụtara okpukpere chi

4.1.1 Nkwuma Ịkọwa Ọnwụ Dị Ka Ime Njem

Oge ụfọdụ n'ala Igbo a na - akọwa nkwuma metụtara ọnwụ dị ka ime nje m

Ọmụma atụ: 9

9(a) Ọ lakwurula ndị nna nna anyị ochie ha.
(b) Ọ hapụla.
(ch) Ọ gala ụzọ ahịa.

4.1.2 Nkwuma ịkọwa Ọnwụ Dị Ka Ezu m Ike.

A na – akọwa nkwuma metụtara ọnwụ ka aga–asị na onye ahụ gawara izu ike.Nke a na–enye aka ibelata ihe mgbu dị n'ọnwụ.

Ọmụma atụ: 10

10(a) Ọ labara ụra.
(b) Ọ gala izuru ike.
(ch) Ọ chịbala abọ.
(d) O mechiela akwụkwọ
(e) Ọ lafuwarụ chileke ya. (olundị Izzi)
(f) Nta ya ka ya ree (olundị Izzi)

(gb) Mmadụ nwụna ọwọọ. (olundị Ubima)
(gh) Mmadụ nwụna n'ezikọ. (olundị Ubima)
(gw) Wonye nwelike ọnwụna.(olundị Ubima)
(h) Ihụkọ fụla ooo(olundị Ubima)

4.1.3 Nkwuma Ịkọwa Ọnwụ Dị Ka Njedebe Ndụ

E nwere ebe ụfọdụ a na – akọwa nkwuma metụtara ọnwụ dị ka njedebe ndụ mmadụ eziokwu.

Ọmụma atụ: 11

11(a) Nke ya abịala na njedebe.
(b) Okwu nke ya agwụla.
(ch) Oge ya agwụla.
(d) Ọ zụchaala ahịa nke ya.
(e) O jedebego obodo afụdebe (olundị Ụkehie)

4.1.4 Nkwuma Ịkọwa Ọnwụ Dị Ka Ihe Fụnarịrị Mmadụ

Ugwu n'ime Onụkawa (2014) kọwara na ọnwụ abụghị naanị ihe mgbu ka ọ na–eweta kama ọnwụ bụkwa oke ihe m fụnarị nye ndị mmadụ nwụnarịrị.N'ihi nke a,e nwere ụfọdụ nkwuma metụtara ọnwụ dị ka ihe fụnarịrị mmadụ .

Ọmụma atụ: 12

12(a) Oke dike anọkwaghị ya.
(b) Oke osisi anọtaghị.
(ch) Nne dị ọha mma anọkwaghị n' etiti anyị.
(d) Dike alaa.
(e) Chi ewere ehihie jie.

4.1.5 Nkwuma Ịkọwa Ọnwụ Nke Metụtara Okpukpere chi

Okpukperechi bara nnukwu uru na ndụ ndị Igbo nke mere ka ọtụtụ ndị Igbo na – ahụta ọnwụ dị ka uche chukwu. Ha na-ekwenyekwa na onye ọ bụla nwụrụ anwụ bụ chi ya ma ọ bụ chukwu kpọrọ ya. Ụfọdụ n'ime nkọwa ha na–enye nke na–arụtụ aka n' okpukperechi pụtara ihe n'ọmụma atụ ndị a:

Ọmụma atụ: 13

13(a) Chi kere ụwa akpọrọla ya.
(b) Ọ lakwurula eke kere ụwa
(ch) O jekwurula chi ya.
(d) Chi ya ekwubiela.

5. Nkwuma Metụtara Mmekọrịta di na Nwunye

Mgbe ọ bụla a kpọrọ idina nwaanyị aha, ọtụtụ ndị mmadụ na–ahụ ya ka ajọ ọmume jogburu udene sigbuo nkapị mana ọ bụghị etu ahụ ka ọ dị n'idina mmadụ dị n'etiti di na nwunye. Bibulu mee ka anyị mata na Chukwu nyere di na nwunye iwu ka ha jee mụba n'elu ụwa ma sịkwa na Bibul n'akwụkwọ Jenesis na otu a ka nwoke ga-ahapụ nne na nna ya tapara n'ahụ nwunye ya, ha abụọ e wee ghọọ otu anụ arụ. Mana n'agbanyeghị na Chukwu nyere nwoke na nwunye ya ikike ịnwe mmekọrịta nwoke na nwaanyị , ọ dịgh onye Igbo ọ bụla ọ ga-adịchara mfe ịkpa nkata dị otu a ebe ndị ọzo nọ. Onye ahụ ga-eburịrị ụzọ chọọ ụzọ ọ ga-esi tinye ya ka ọ hapụ inweta ihe imi ọnụ .

Ọmụmatụ: 14

14. Iji ya na ya bụ
ọmụ eli egbe, egbe ọmụ.
(The relationship between the female and the male organs is mutual).
(a) Ya na ifene me ka ifene naa anya
(The pubic hair is the beauty of the female organ).
ch. Ogbonna wee mata Amaka, Amaka atụrụ ime mụọ ejima
d. Oko na nwunye ya na-edina abalị ọ bụla
e. Di na nwunye ahụ na-enwe mmekọrịta nwoke na nwaanyị
f. Di na nwunye ahụ na-eri egwu ukwu
g. Aya ifene bụ aya ngwele na ụmụaka
(The issue of sex between man and woman is the endless war between children and lizard).

5.1 Nkwuma Metụtara Nwoke na Nwaanyị na akwa iko

Mgbe ọ bụla a kpọrọ ịkwa iko aha, ọtụtụ mmadụ na-ahụ ya ka ajọ omume kwọ nwa n'azụ ma ọ bụ jọbguru udene sigbue nkapị mana mmadụ ka na-egwu mmiri dị otu a na -atụghị ụjọ ọ bụla. N'agbanyeghị na ha na-eme ya oge niile, ọ dịghị

onye Igbo ọbụla ga-apụta n'ọha mmadụ kpọọ okwu dị otu a aha, kama ha ga-achọ ụzọ isi kwue ya ka ọ ghara ịjọ njọ na ntị.

Ọmụma atụ: 15

`15.Ha na-eme enyi

(They are having continuous sexual intercourse).

a. Ha na-abakwuru onwe ha. (Asụsụ Bịbul)
   (They are having sex continually)
ch. Ha na-eme nsoli (olundị Ọgwashi)
   (They are having sex)
d. Ha na-eri mkpọkịrị (olundị Ọgwashi)
   (They are having sex)
e. Okoeke na Ifeoma na-eri udengeli
   (Okeke and Ifeoma are having sex)
f. Ike na Onyinye na-ezi uzi
   (Ike and Onyinye are sex partners)
g. Ha na-emeru onwe ha arụ
gb. Somtoo na-emetu Ngozi aka n'ihe
gh. Ha na-eriko oriri nsọ
gw. Ha na-atamkpụrụ osisi a sị ha atala
   (They are having illegal sex)
h. Ha na-ewoli ihe nwoli
i. Ifeanyi bụ oyoo Ijeoma
   (Ifeanyi is Ijeoma's girl friend)
ị. Uchenna zuzulu Eberechukwu
   (Uchenna had sex with Ebere)
j. Ha na-ameru onwe ha arụ
k. Izuchukwu na – Amaka na-eme mkpọkirị

Ọmụmatụ 15 'a' rue na 'k' bụ ụzọ dị iche iche e nwere ike ịkọwa ịkwa iko ma ọ bụ ajọ mmekọrịta n'etiti nwoke na nwaanyị. Ya bụ ha bụ ụzọ dị iche iche e nwere ike isi jiri ezigbo okwu dị anā kọwaa ajọ omume a ọtụtụ ndị mmadụ na-agbara ọsọ ikwupụta n'asụsụ Igbo.

5.1.2 Nkwuma Metụtara Nwa agbọghọbịa na-akwa iko

Ọtụtụ oge, a na-ahụta nwaagbọghọbịa ma ọ bụ nwaanyị na-agba n'iro dị ka onye na-akpa ajọ agwa. E nwere ụzọ dị iche iche e nwere ike isi mee nke a.

Ọmumatụ: 16

16a .Okpoho mekazikaa ọgọ wa alagbu ya (A woman who is liberal in allowing people to have sex with her loses her life).

a. Nwaagbọghọbịa ahụ na-epiogharị mpioghari.
ch. Chigọzie na-agba n'ezi
d. Ife enụ sebe okwu, wa ekwue ka wa si mebe ya
(If a pregnancy becomes contentious, then the truth will be told).
e. Okpoho chokazikwa ka ọ fụ Ifene ya, o bulu isi tie n'ala.
(A woman who bends down straining to see her private part, she hits her head on the ground)

5.1.3 Nkwuma Metụtara Nwoke na akwa iko

N'asụsụ Igbo, o nwere ọtụtụ ụzọ nwoke nwere ike isi kpuchie ajọ ihe a na-eme. O nwere ike iji ezigbo okwu kọwaa nke a ka o wee dị ụtọ ịnu. Nwoke na-akwa iko n'ala Igbo, ọ naghị abụcha ajọ ihe. Nke a kpatara nwoke nwere ike ịkọwa nwaanyị ya na ya na-akwarịta iko n'ụzọ ndị a.

Ọmụmatụ:17

17a. Ngozi bụ nwaụlọ m (Enugu Ezike)
(Ngozi is his girl friend)
a. Onyinye bụ agịrị m
(Onyinye is my sex partner)
ch. Ifeoma bụ okwu m
(Ifeoma is my sex partner)
E nwekwara ike ikọwa nwoke na-achụ nwaanyị n'ụzọ ndị a.

Ọmụmatụ: 18

18a. Okoroafor bụ mkpị
b. Okoeke bụ nkịta
ch. Uchenna bụ abalị agba aka
d. Ugochukwu etinyela ọtụtụ ụmụ nwaanyi n'ọnọdụ ezinaụlọ
e. nwoke ahụ ejighị anya ya ahụ nwaanyị

5. Nchịkọt na Mmechi

Nchọcha chọpụtara na nkwuma bụ otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'Igbo dị ezigbo mkpa. Nkwuma bụ iji ezigbo okwu kọwaa ajọ okwu ma ọ bụ okwu arụ ma ọ bụ ihe ala na asọ nsọ. E nwekwara ike iji nkwuma kọwaa akụkụ ahụ mmadụ nke a naghị adịchara ndị mmadụ mfe na mkpọpụta. A na-ejikwa nkwuma akọwakarị maka ọnwụ n'asụsụ Igbo. E nwekwara ike iji ya kọwaa maka mmekọrịta nwoke na nwaanyị, ajọ okpukperechi ma ọ bụ ụzọ abụghị ụzọ ụka, ịkọwa maka chi.

Nchọcha a chọpụtara na e nwere nkwuma kọwara ọnwụ dị ka ime njem,ezu m ike, njedebe ndụ, ihe ifunarị mmadụ na nkọwa ọnwụ metụtara okpukpere chi.Nchọcha a chọpụtara na e nwere ọtụtụ ụzọ e nwere ike isi kọwaa di na nwunye na–enwe mmekọrịta nwoke na nwaanyị. nke a gunyere, inwe mmekọrịta nwoke na nwaanyị,iri egwu ukwu, idina, ịmata wdg. Ọ chọpụtakwara na e nwere nkwuma metụtara nwoke na nwaanyị na-akwa iko, nke gunyere ime enyi, ibakwuru onwe ha, ime nsoli, iri udengeli, izi uzi, imetu aka n'ihe, ịrịkọ oriri nsọ, ịta mkpụrụ osisi a sị ha atala, oyoo, ịzụzụ, imeru onwe ha arụ, ime mkpọkịrị wdg.

Ọ chọpụtakwara nkwuma metụtara nwaanyị na-akwa iko nke gunyere ipiogharị mpiogharị,ịgba n'ezi, imekazị ọgọọ. Ọ chọpụtara nkwumạ metụtara nwoke na-akọwa nwaanyị ya na ya akwa iko ma ọ bụ enwe mmekọrịta nwoke na nwaanyị. Nwoke ahụ nwere ike ịkọwa onye ya na ya na-akwakọ iko dị ka nwaụlọ ya, agịrị ya, ọkwọ ya . E nwekwara ike ịkọwa nwoke na-achụ nwaanyị dị ka mkpi, nkịta, abalị agba aka, ejighị anya ahụ nwaanyị.

N'ezie, ọ bụrụ na ilee nchọcha anya, ị ga-ahụta na nkwuma na-akwanyere ọtụtụ okwu na-adị arọ ịkpọpụta ma na-enyekwa aka n' ikwanyere ọtụtụ okwu ugwu ka mmadụ hapụ ịkpọ mkpụrụ okwu ụfọdụ mmadu nwere ike iji kwuo okwu nke nwere ike iweta nleda anya n'ebe onye ahụ nọ. N'ihi nke a, nkwuma bụ nọọ ezigbo akọrọngwa asụsụ e nwere n'Igbo.

Nrụmaka

Abrams, M. H. (1971). *A glossary of literary terms*. New York: Holt, Rinehart and Wiston, Inc.

Anagbogu, P. N., Mbah, B. M., Eme, C. A. (2001). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dreams Ltd.

Eke, J. G. (2001). *Igbo-English dictionary (ọkọwa okwu).* Enugu: New Generation Ventures Ltd.

Emenanjo, E. N. (2008). Proverbs as picturesque speech: The example of Igbo. In Iwu, I., Ohiri – Aniche, C., Nnabuihe, C. (Eds) Udezuluigbo: *A Festschrift in Honour of Sam Uzochukwu* (22 – 38).

Emenike, C. (1986). Akpa Uche Ekechukwu, R.M. (ed). Ibadan: University Press Ltd (44 – 45).

Mbah, B. M., Mbah, E. E. (2007). Azụonye: Lectures on Igbo literature and stylistics. Enugu: University of Nigeria Press.

Mbah, B. M., Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press.

Ndimele, O. (2007). *Semantics and the frontiers of communication* (2nd ed) Port – Harcourt: University of Port – Harcourt Press Ltd.

Ofuanị, (1982). Euphemism in Igbo: A sociolinguistics study. Igbo: *A Journal of SPILC*.

Ogbulogo, C. (2005). *Concepts of semantics*. Lagos: Sam Iroanusi Publications.

Okebalama, C. N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press Ltd.

Onụkawa, E. N. (2014). Euphemistic expressions for death in Igbo. Nsukka *Journal of African Languages and Linguistics (NJALL)* 9 (44 – 51).

Osuagwu, B. I. N. (1980). *A complete course in Igbo grammar*. Lagos: Academy Press Ltd.

Oyeka, C. N. (2015). Euphemism as substitutes for verbal taboos in Igbo language dynamics. Ihafa: *A Journal of African Studies*, 7(1).

Yahaya, N. (2012). *Euphemism expressions for death in the Hausa language*. KIABARA, Supplement 3 Focus on Language.

Ndị a gbara ajụjụ ọnụ

1. Okeke, N.C Afọ 57 Command Secondary School, Abakaliki
2. Obi, M. U Afọ 52 Command Secondary School, Abakaliki.
3. Odo, C. AFọ 56 Command Secondary School, Abakaliki,
4. Udemobi, V Afọ 54 Command Secondary School, Abakaliki.
5. Okeka, U. Afọ 50 Command Secondary School, Enugu.
6. Ani, N. Afọ 50 Command Secondary School, Enugu.